# ỌKPỤKPỌ ÒKÙ NKE OZIỌMA AHỤ NA ỌLỤ YA DỊ ICHE ICHE

## Matiu 11:20-30

## IHE ÒMỤ̀MỤ̀ 82 - Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ngọzi nādiri ndi nuru okwu Chineke debe kwa ya" (Luk 11:28).**

**Ọ̀mụ̀má Ikpé n'ihi Ọlụ Ha**

Ikpé niile nke Chineke ziri ezi dịka ebere niile Ya doro anya. Chineke ekwupụtawo ikpé ọ̀mụ̀má nke dịri ndị niile hụ́woro ọlụ Ya dị ike na ndị nụwokwara okwu Ya ma ha echègharịghị: "N'ihi na emegh ihe ekpere n'ikpe megide ọlu ọjọ ọsọsọ, n'ihi nka obi umu madu juru eju nime ha ime ihe ọjọ" (Eklisiastis 8:11). Ọbụná mgbe Jisọs kwusịrị okwu ịdọ aka-ná-ntị, anyị agụtaghị na enwere óké ntute dịka ọ dịworo na Nineve. Jona tiri mkpu megide obodo ahụ n'ihi óké nnupuisi ya dịka Chineke gwara ya ime. Ndị ahụ chọrọ Chineke ma chègharịa kwa. Ọ karịrị okwu ọnụ nááńí, n'ihi na anyị gụrụ na Chineke hụrụ ọlụ ha wee nápụta ha.

Jisọs kwuru maka obodo atọ nke Ọ lụkarịrị ọlụ ebube karịsịa nime ha. Ọ baara obodo ndịa mba n'ihi enweghị nchègharị; ọbụná karịa ịbá mbá, Ọ sịrị, "Ahuhu gādiri gi." Ikpé Ya dakwasịrị obodo ndịa n'òzùzù òkè nke mere na amaghị kwa ebe obodo ndịa dị n'ụbọchị taa, karịa kwa ebe ahụ amaara dịka ọnụ-mmiri akụkụ ọdịda anyanwụ nke Óké osimiri Galili.

Ọ dịghị ebe ọzọ ekwuru maka Korazin. Pita, Andru na Filip bụ ndị obodo Betsaida . Lee ụdị obiụtọ anyị nwere na ụfọdụ ndị nke obodo ahụ kweere Jisọs, chègharịa kwa ma nwee kwa nzọpụta, n'ihi na Jisọs mara ndị niile bi nime ya ikpé mgbe Ọ na-ama obodo ndịa ikpé. A ga-ala ndị obodo ahụ n'iyi, ọ bụghị nááńí obodo ha. Ọ sịrị na n'ụbọchị ikpé ndị Saidon na Taia bụ́ obodo ochie nke ndị amụma kwuru okwu megide ga-anagide ikpé karịa ndị obodo ndịa.

**Ikpé**

Saidon na Taia dị mkpà n'ihi ịzụ ahịa ha na àkụ̀naụba ha, ma mmehie wetara ikpé nke Chineke, ha wee tụfuo otuto ha.

Ọ bụghị nááńí àkụ̀naụba na iruọma ha ka ha tụfuru n'ụwa, kama akụkọ akọọrọ anyị na obodo ndịa abụrụwo ndị nke ndịiro ha meriri n'ụdị nke ọbụná taa ha enwebeghị udo ma ọ bụ ọgan'iru.

Otú a ka ha hụjuworo anya nime óké ahụhụ n'ihi mmehie niile ha, ma ikpé nke ikpèazụ̀ abịarubeghị: "M'we hu oké Oche-eze di ọcha; na Onye nānọkwasi ya, … M'we hu ndi nwuru anwu nile, ndi uku na ndi ntà, ka ha nēguzo n'iru Oche-eze ahu; ewe saghe akwukwọ di iche iche: … ewe kpe ndi nwuru anwu ikpe site n'ihe nile edereri n'akwukwọ ahu di iche iche, dika ọlu nile ha si di" (Nkpughe 20:11-15).

Dịka Taia na Saidon jupụtara ná mmehie na ajọ omume, Jisọs sịrị na ha ga-echègharịworị n'oge dị anya ma ọ bụrụ na alụrụ ọlụ niile dị ike nke Jisọs lụrụ nime Korazin na Betsaida nime ha. ha ga-echègharịworị n'ákwà-mkpé na ntụ. Nkọwa a ka ejiri kwuo okwu ọtụtụ ugbò nime akwụkwọ-nsọ. Ọ bụ ihe ịrịba àmà nke a na-ahụ́ anya na-egosi ezigbo nchègharị na ịrapụ mmehie. N'ụbọchị taa anyị na-echègharị site n'anya mmiri dị ilu na nwuta dịka Chineke si chọọ. Nchègharị bụ ikwupụta mmehie niile anyị ma gbakute kwa ha àzụ̀. Ihe ọ bụla ọzọ dị iche na nke a abụghị ezigbo nchègharị.

**Ìhè kà ọ bụ Ọchịchịrị**

Jisọs emewo Kapanaum ebe obibi Ya. Anyị gụrụ na Matiu isi nke anọ na Jisọs rapụrụ Nazaret wee biri na Kapanaum ka O wee mezuo amụma eburu: "ndi ahu nke nānọdu n'ọchichiri huru oké ìhè." Jisọs nyere ndịa ohere inwe nzọpụta. O mere ihe ịrịba àmà dị iche iche, kuzie Okwu ahụ, dọọ kwa ha aka-ná-ntị, ma ha rọọrọ ụzọ nke onweha nke dubara n'ịlan'iyi. Ha ga-anaraworị ìhè ahụ ma ha rọọrọ ọchịchịrị ahụ.

Kapanaum nwere ọgan'iru dị ukwuu, na óké ohere, ma ewo, le ikpé ahụ nke ná-echéré ya! Jisọs sịrị na ọ bụrụ na Sọdọm nwererị ohere dịka Kapanaum ha ga-anọgideworị. Sọdọm bụ obodo nnupuisi nke Lot biri na ya – obodo ahụ ka Chineke ji ọkụ na brimstone mebie n'ihi óké isi ike ya.

Anyị na-agụ na akwụkwọozi Jud na edebewo ndị Sọdọm dịka ihe ngosi nye ọra mmadụ, ndị hụrụ ahụhụ iwe nke ọkụ ebighị ebi. Ugbu a ọ burụ na Sọdọm ga-anagide okwu n'ụbọchị ikpé, òlee otú ọ ga-adirị ndị Kapananum!

**Ndị Ná-eme Ọ bụghị Ndị Ná-anụ Nááńí Ọnụnụ**

Dịka edoro Sọdọm ka ihe ngosi n'iru ọra mmadụ, otú a ka obodo ndịa bụ ihe ịdọ aka-ná-ntị nye anyị. Ọtụtụ mmadụ na-anọ n'ọgbakọ dị iche iche, nara ìhè nke sitere n'okwu Chineke, nụ ọtụtụ ọgbụgba àmà, gụọ Akwụkwọ Oziọma, ma ha na-ejégharị kwa n'ọchịchịrị. "Nka bu ikpé ahu, na Ìhè ahu abiawo n'uwa, ma madu huru ọchichiri n'anya kama Ìhè ahu; n'ihi na ọlu ha jọrọ njọ" (Jọn 3:19).

Ọtutụ mmadụ na-anụ Okwu nke Chineke ma ha adịghị eme ya. Ụfọdụ na-asị ụbọchị nzọpụta ha "chere" (ma ọ bụ oge erubeghị). Ndịọzọ na-achọ ịgụ onweha ná ndị eziomume ebe ha na-eche na ha "adighị oké njọ." Agaghị ekpé anyị ikpé site n'ihe anyị na-eche na ọ dị mma kama ọ bụ Okwu Chineke ga-ekpé. "Onye nēkpem ikpe bu Onye-nwe-ayi" (1 Ndi Kọrint 4:4). O nwere ike bụrụ ihe ndịa ha echétaghị ma ọ bụ nke ha rapụrụ ime ga-eme ka ha ghara ịbànye Eluigwe. "Ọ buru na unu echègharigh, bia di ka umu-ntakiri, unu agagh-aba n'ala-eze elu-igwe ma-ọli" (Matiu 18:3). "I gēwere obi-gi dum, were kwa nkpuru-obi-gi dum, were kwa uche-gi dum, hu Onye-nwe-ayi Chineke-gi n'anya" (Matiu 22:37). "Kpadonu àkù n'elu-igwe nye onwe-unu" (Matiu 6:20). "Burunu uzọ chọ ala-eze Ya, na ezi-omume Ya" (Matiu 6:33). Ndịa bụ ụfọdụ nime ndụmọdụ enyere nime Akwụkwọ-nsọ. Ọ bụrụ na onye ọ bụla arapụ ime ihe ndịa, ọ gaghị enwe olileanya inwe ngọzi nke ụmụ Chineke. Ụfọdụ na-eche na Chineke ga-arapụ ha n'ihi ihe ndịa, ma ọ dịghị ihe ndabere nke dị nime Baịbụl nye échìchè dị otú a. "Chineke abugh onye nēle madu anya n'iru" (Ọlu Ndi-ozi 10:34).

Ọ bụ ihe jọgburu onweya mmadụ inwe ìhè nke Oziọma ahụ ma onye ahụ adịghị ejégharị nime ya. Ihe ọ̀mụ̀mụ̀ nke a enyeworo iji gosi mmadụ ọlụ dịịrị ya nye Chineke maka ọkpụkpọ òkù nke Oziọma ahụ. Ọ bụ ihe dịịrị nwa Chineke ọ bụla dịka ọ dịịrị onye mmehie, n'ihi na anyị ga-aza ajụjụ banyere ọ bụghị náání anyị onweanyị kama n'ihi ndịọzọ kwa. Jisọs, mgbe Ọ na-ekwu Okwu Chineke ahụ O kwuru n'elu Ugwu, sịrị, "Unu onwe-unu bu ìhè nke uwa" na "Menu ka ìhè unu nēnwu n'iru madu, ka ha we hu ọlu-ọma nile unu, we to Nna-unu Nke bi n'elu-igwe."

Nwa Chineke ọ bụla aghaghị ijégharị n'ìhè ahụ dịka esi nye ya. Dịka ọ na-anata ìhè ahụ karịa, ọ ga-ejégharị na ya ma ná-eto kwa nime mmụọ, dịka nwatakịrị na-eto n'anụarụ. Nwatakịrị nwere ike hụ́ mmiri ara-ehi jide ya, na-ebụgharị kwa ya, ma ọ́ bụghị ma ọ ñụrụ ya lomie kwa ya, mmiri ara-ehi ahụ apụghị ịlụpụta ezi ihe ọ bụla nye ya. Ma dịka nwatakịrị na-añụ mmiri ara-ehi ahụ na-eme kwa ka ọ bụrụ nri ya, ọ ga-amalite itó n'ikpèazụ nwee kwa ike iri nri ndịọzọ. Otú a ka ọ dị nye nwa ọhụụ nime Kraist: dịka ọ na-anara Okwu nke Chineke ná-adị kwa ndụ nime òzízí ndịa, ọ ga-eto tutu ruo kwa mgbe ọ ga-abà urù nye Oziọma. Chineke ga-ezi ná-egosi kwa ụmụ Ya mkwà Ya niile dị óké ọnụ n'Akwụkwọ-nsọ; Ọ ga-enye ha nghọta nke Okwu ahụ nke ndị óké mmụta ná-apụghị ịghọta.

**Ọkpụkpọ Òkù**

Dịka Jisọs kwuru okwu ịdọ aka-ná-ntị ndịa, Ọ na-akpọ kwa ụwa niile òkù: "Biakutenum." Dịka ọ dị na mgbe gara aga, ọ ka dịkwara "Onye nke kwere." Ọkpụkpọ òkù Ya dị iche site na nke ndị ụwa na-akpọ, nke ná abụghị nye mmadụ niile. Ọ bụrụ na mmadụ chọrọ ịbụ onyeagha nke obodo anyị nwaokorọbịa ahụ aghaghị ịbụ onye ruru ogo arọ ụfọdụ na ogologo dịka esi chọọ ya. Ụfọdụ Ụlọakwụkwọ na-achọ ụmụntà ndị toruru ogo tupu ha edenye aha ha. Ọtụtụ mgbe, tupu mmadụ abụrụ otù onye nime ndị-òtù ma ọ bụ na agaghị ewere ya ga-adabere n'ihe dịka arụ-ike, agbụrụ, ogo, ego, ịgụakwụkwọ, onyinye, ịdị-nkà, ọlụ nghota na ihe ndịọzọ. Ma ọ dịghị otù nime ihe ndịa a na-atule mgbe mmadụ na-abụ otù onye nime arụ nke Kraist.

Dịka anyị nọ n'ụwa, ọ bụghị mmadụ niile na-alụ ọlụ, ma nke a na-ekwu banyere ihe nke ime mmụọ. Ndị azọpụtaghị na-ahụ́ ahụhụ nke ibu-arọ̀ mmehie, ma site na Kraist enwere udo, na izu ike nye mkpụrụobi.

Jisọs sịrị "Nyaranu yoke nkem n'olu-unu." Enwere ike ịkpọ yoke ụgbalụgba. Ọ bụ ihe njikọta nke a na-ejikarị ejikọ anụ abụọ n'otù; ma na nke a, nwa Chineke ka ekekọtara ya na Jisọs. Ihe nkekọta ahụ bụ akàrà nke ijéozi. Nke a na-egosi na ọ bụghị kwa orù nke àkụ̀ ajọ omume kama orù nke Kraist. Ekekọtawo ya na Kraist n'otù, ọ na-alụ kwara Ya ọlụ. Agwara anyị na ihe nkekọta ahụ na-eme ka ịdọkpụrụ ma ọ bụ ịbụ óké ibu dị mfé. Mgbe ha abụọ na-eguzo, otù n'akụkụ ibe ya, a na-atụkwasị yoke ahụ site n'ubu otù onye ruo nke ọzọ, ha ewee ná-ebu ibu ahụ na-aga. Ikekwe ị nwawo ibulite ibu n'aka gị, aka wee gbuo gị mgbu, ị wee butuo ya ọsọso n'ala. Ma mgbe atụkwasịrị otù ibu ahụ n'ubu gị, ọ na-adị mfé n'obubu. Ma ọ bụ eleghịanya ị nwawo iji ụgbọ nwere ụkwụ anọ buo ibu dị arọ. Mgbe ahụ ewee kegide eriri n'ụgbọ ahụ na n'ubu na n'obi gị. Dịka ị na-adagide na ya, arọ gị na-eme ka ị buru ibu dị arọ karịa nke ahụ ị nwere ike dọkpụrụ n'aka. N'otù aka ahụ, Jisọs na-enye nwa Chineke ọ bụla yoke ime ka ibu ya dị mfé. Ọ ga-achọpụta na Kraist, ọ bụghị náání na Ọ na-ebu ibu nke ka arọ, kama Ọ na-eme yoke Ya ka ọ ghara igbu mgbu na ibu Ya ka ọ dị mfé.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Gịnị mere Jisọs ji taa obodo ndịa ụta?
2. Kpọọ aha mmadụ ụfọdụ na Baịbụl ndị chègharịrị site ná ákwàmkpé na ntụ.
3. Gịnị mere Chineke ji mebie Sọdọm? N'ụdị dị añaa?
4. Òlee ndị bụ ụmụ ọhụụ nime Kraist? Òlee otú ha si etó?
5. Òlee nwoke nime agba ochie onye bụ ihe ịma-atụ n'ịdị obi umeala?
6. Òlee otú mmadụ ga-esi chọtara obi ya izu ike?